***Year C # 774***

***Christmas Day Reading***

***Ihe Ọgụgụ Nke Ụbọchị Ọmụmụ Kraist***

***031204-4***

*Daalụ Ezi enyim! Nke a bụ Dọrọti-*

Taa achọrọ m ịgụ site n'ihe edeworo n'Akwụkwọ Nsọ. Agaje m igosi gị etu Okwu ahụ siri ghọọ anụ-arụ n'ọmụmụ Jisọs, bụ Kraist ahụ. Na **Matiu isi mbu**, anyị gụrụ -malite n**'ahiri nke iri na asatọ**

**18 Ma ọmụmụ Jisọs Kraist dị otú a: Mgbe ekwereri na Josef ga-alụ nne Ya Meri, mgbe ha a ka-edinakọtaghị, ahụrụ na ọ dị ime site na Mmụọ Nsọ.**

**19 Ma Josef di ya, ebe ọ bụ onye ezi omume, ma ọ chọghị igosi ya n'iru ọra, o zubere ịrapụ ya na nzuzo.**

**20 Ma mgbe ihe ndia dị ya n'obi, lee, mmụọ-ozi nke Chineke were onwe ya gosi ya na nrọ, sị, Josef, nwa Devid, atụla egwu ikuru nwunye gị Meri:** - okwu a, **nwunye**, bụ nke e jiri na-ekwu banyere ndi kwekọrịtawo ịlụ dịka di na nwunye; ọ pụtaghị na ha abịakọtawo n'otu dịka di na nwunye - **n'ihi na Ihe Nke ọ dị ime Ya sitere n'aka Mmụọ Nsọ.**

**21 Ọ ga-amụpụta kwa Nwa-nwoke; ị ga-akpọ kwa aha Ya Jisọs, n'ihi na Ya onwe ya ga-azọpụta ndi nke Ya na mmehie niile ha.**

**22 Ma ihe a dum emewo, ka okwu Onye-nwe-anyị kwuru site n'ọnụ onye-amuma Ya wee mezu, sị,**

**23 Lee, nwa-agbọghọ ahụ na-amaghị nwoke ga-adị ime, ọ ga-amụta kwa Nwa-nwoke, Ha ga-akpọ kwa aha Ya Immanuel; nke bụ, ma asụgharịa ya, Chineke nọnyere anyị.**

**24 Josef wee si n'ụra ya bilie, mee dịka mmụọ-ozi nke Onye-nwe-anyị nyere ya iwu, wee kuru nwunye ya;**

**25 Ọ maghị kwa ya rue mgbe ọ mụpụtara Nwa-nwoke: o wee kpọ aha Ya Jisọs -** *o chekwara ya; o chere ya nche; o lekọtara ya n'ụzọ dị ịtụnanya site n'irube isi ime ihe mmụọ-ozi ahụ gwara ya ka o mee ma ọ dịghị mgbe o mesoro ya dịka nwunye ya.*

Na **Luk isi nke abụọ**, anyị gụrụ -malite **n'áhiri nke mbu**

**1 Ma o rue na mgbe ahụ, iwu si n'ebe Sisa Ọgọstọs nọ pụta na a ga-ede aha mmadụ niile bi n'elu-ụwa dum mmadụ bi n'akwụkwọ.**

**2 Nke a bụ odide-aha mbụ edere mgbe Kwiriniọs bụ onye na-achị Siria.**

**3 Mmadụ niile wee ga ka ede aha ha n'akwụkwọ, onye ọbụla ọ ga obodo nke aka ya.**

**4 Josef wee si kwa na Galili, site n'obodo Nazaret, rigo na Judia, baa n'obodo Devid nke a na-akpọ Betlehem, n'ihi na o si n'ụlọ na agbụrụ Devid pụta;**

**5 Ka o wee mee ka ede aha ya na Meri n'akwukwọ, bú nwaanyị ekwere na ọ ga-alụ, onye dị kwa ime.**

**6 O wee rue, mgbe ha nọ n'ebe ahụ, ụbọchi ya zuru ka ọ ga-amụta nwa.**

**7 O** - n'ikwu banyere Meri - **wee mụta Nwa-nwoke mbụ ya; o wee kee Ya n'ákwà okiké, nyibe Ya n'ihe a na-etinye nri anụ-ụlọ, n'ihi na ụzọ adịghị nye ha n'ụlọ ndi-ije.**

**Matiu isi mbu ahiri nke iri abụọ na ise . . . ma ọ** - ya bụ, Josef - **kpọrọ aha ya Jisọs.** *O rubere isi n'ihe mmụọ-ozi ahụ gwara ya ime.*

Na **Luk isi abụọ**, anyị gụrụ -**n'áhiri nke asatọ**

**8 Ndi ọzùzù-atụrụ dị n'otù ala ahụ na-anọ n'ọhịa, na-eche kwa ìgwè atụrụ ha n'abalị.**

**9 Mmụọ-ozi nke Onye-nwe-anyị wee guzo ha nso, ebube nke Onye-nwe-anyị mụbakwara ha gburugburu: ha wee tụa egwu nke ukwu.**

**10 Mmụọ-ozi ahụ wee sị ha, Unu atụla egwu; n'ihi na lee, ana m ezì unu ozi ọma nke oké ọṅù nke ga-adịrị ndi Israel niile:**

**11 N'ihi na taa n'obodo Devid ka amụrụ nye unu Onye-nzọpụta, Nke bụ Kraist Onye-nwe-anyị.**

**12 Nke a ga-abụkwara unu ihe-iriba-ama Ya; Unu ga-ahụ Nwa ọhụ ekere n'ákwà okiké, na-edina kwa n'ihe a na-etinye nri anụ-ụlọ.**

**13 Na mberede ìgwè usu ndi-mmụọ-ozi nke elu-igwe wee nọnyere mmụọ-ozi ahụ, na-eto Chineke, sị,**

**14 Otuto dịrị Chineke n'ebe kachasị ihe niile elu, Udo dị kwa n'elu ụwa n'etiti mmadụ ndi ihe ha dị Ya ezi mma.**

**15 O wee rue, mgbe ndi-mmụọ-ozi pụrụ n'ebe ha nọ laa n'elu-igwe, ndi-ọzùzù-atụrụ wee sịrịta onwe ha, Ka anyị jee rue Betlehem ugbu a, hụ ihe a ekwuru, nke Onye-nwe-anyị mere ka anyị mara.**

**16 Ha wee were ọsọ bịa, hụ Meri na Josef, na Nwa ọhụ ahụ ka O dinara n'ihe ahụ a na-etinye nri anụ-ụlọ.**

**17 Ma mgbe ha hụrụ ya, ha mee ka amara okwu agwara ha rị banyere Nwatakịrị ahụ.**

**18 Okwu ndi-ọzùzù-atụrụ gwara ha wee ju ndi niile nụrụ ha anya.**

**19 Ma Meri debere ihe ndia niile ekwuru, na-atụgharị ha n'obi ya.**

**20 Ndi-ọzùzù-atụrụ wee laghachi, na-enye Chineke otuto, na-eto kwa Ya n'ihi ihe niile ha nụrụ na nke ha hụrụ, dịka agwara ha.**

Ị ga-enye Chineke otuto n'ụbọchị a maka ihe iju-anya nke Kraist ịghọ anụ-arụ ịbụ Onye-nzọpụta gị? Nye Chineke otuto ma jakwa Ya mma maka ihe ndia nke ị nụworo ma hụkwa.

*Ụbọchị aṅụrị nke Ọmụmụ Kraist dị ngọzi! Amen.*